**Nkwụdosike Na Ọganiihu Omenala na Asụsụ Igbo: Ntụgharị Uche n'Aha n'Agụmagụ Ederede**

*Adaora Anyachebelu*

*University of Lagos*

## Ụmịedemede:

*Aha bụ ihe ọbụla e nyere mmadụ maọbụ ihe ndị ọzọ e ji amata ha. Ọ bụ otu ụzọ gbara ọkpụrụkpụ e nwere ike isi mee ka asụsụ na omenala ndị bụrụ ihe kwugidesiri ike. Ọtụtụ ndị odee agụmagụ na-eji aha akwara ngwaọrụ ha iji egosipụta agwa dị icheiche n'edemede ha. Nchọpụta na-egosi na ọtụtụ ndị odee, kama inye agwa dị n'edemede ha aha sitere n'agbụrụ ha, na-enye ha aha sitere n'asụsụ na agbụrụ ndị ọzọ. Ụfọdụ gbaliri nye aha agbụrụ ha na-edebiri ya edebiri nke na mpụtara na nghọta dị n'aha ndi ahụ anaghị agbazị elu. Oge ụfọdụkwa, ha na-enyekwa aha enweghị mpụtara ma ncha. Ụdị akparamagwa dị etu a kpalitere mmụọ omenchọcha n'ọrụ a. Ebumnobi ọrụ nchọcha a bụ inyocha ọtụtụ aha ndị odee agụmagụ Igbo a họọrọ webatara n'edemede ha, mpụtara ha, na etu aha ndị ahụ si kwalite maọbụ ebute ọdịda asụsụ na omenala Igbo. Akwụkwọ ndị a họọrọ iji mee nchocha a gụnyere akwụkwọ ejije Obidiya (1977) nke Akoma, Enyinna, iduuazị Ihe Onye Metara (1996) nke Ofomata, Chinedum E., Purple Hibiscus (2006) nke Chimamanda Adichie tinyekwara otu iduuazị The Potter's Wheel (2011) nke Ike, Chukwuemeka. Nchọpụta e nwetara na-egosi na ọtụtụ ndị odee ndị a nyere agwa ha aha Igbo. Aha ndi ahụ nwegara mpụtara dị omimi, ma nyekwa aka n'igosipụta omenala na usoro ebimndụndụ ndị Igbo. Ntụtaaro omenchọcha bụ na ọ dị mkpa ikwadosi ndị odee ike ka ha na-enye agwa ha aha Igbo nwere mpụtara. Ha ga-agbakwa mbọ na-ederukwa aha ndi ahụ n'isi iji mee ka nghọta ha wee pụtazuo ihe.*

**Ọkpụrụkpụ Okwu:** *aha, asụsụ, omenala, iduuazị, ejije*

## Mkpọlite

Oge ụfọdụ e kwue aha, ọ na-adị ka ọ nweghị ihe dị oke mkpa n'ime ya nke na a ga-etinye uchu n'ọmụmụ ya. Aha, na mba Afrịka nwere ọrụ, mpụtara na ọnọdụ dị omimi ọ na-egosipụta

ma e wepụ iji wee mata mmadụ. Doja kọwara na ngalaba ọmụmụ aha enyela ohere maka mmụta, nlebawanyeanya, ndoko na mmekọịta (philological ingenuity) dị n'ime otu asụsụ na n'etiti asụsụ gasị[1].Ọ bụ asụsụ ka eji ezipụta aha. Asụsụ bụ otu ụzọ ndị mmadụ n'ibe ha si emekọrịta. Ọ bụ ụzọ gbara ọkpụrụkpụ e nwere ike isi mee ka omenala ndị bụrụ ihe kwụgidesiri ike, na-agakwa n'ihu. Asụsụ na aha so na ngwaọrụ ndị odee agụmagụ na-eji emepụta edemede ha. Agụmagụ n'ebe a pụtara akọmakọ a rọmarọ e depụtara ka ndi mmadụ gụọ, nke onye Igbo dere n'agbanyeghị asụsụ o ji wee dee ya.

Ọtụtụ ndị ome nchọcha emeela nchọcha dịka o si metụta aha. Finnegan kọwapụtara na aha nwere nnukwu mpụtara; karịsịa etu ha si ewebata ma na-ewepụtakwa ụtọ n'agụmagụ tinyekwara mmekọrịta na ọganihu ihe ndị ọkpụ nke J. S. Mbiti kwuru na aha na-akwagidesike.[2] Ndị ọzọ merela nchọcha dịka o si metụtata aha ndị Igbo gụnyere Ubahakwe[3]; Ebeogu[4]; Okafor et al[5]; Onukawa[6] na Ebeogu.[7] Ha niile kwekọtara na aha ndị Igbo nwere mpụtara karịa naanị iji mara mmadụ.  Mana n'ime ọrụ nchọcha niile ndị a e nyochagharịrị n'ebe a; ọ nweghị nke mere nchọcha dịka o si metụta aha Igbo ndị dị n'agụmagụ ederede dịka ụzọ isi akwalite asụsụ na omenala Igbo. N'ihi nke a ka nchọcha a ji dị oke mkpa.

## Asụsụ na Aha n'Agụmagụ: Ebe Njekọrịta

Asụsụ bụ otu ụzọ ndị mmadụ na ibe ha si enwe mmekọrịta. Ọ bụ ụzọ gbara ọkpụrụkpụ agbụrụ si ezipụta omenala ha, ma bụrụkwa ụzọ enwere ike isi mee ka omenala ndị bụrụ ihe kwugịdesịrị ike, ma na-agawanyekwa n'ihu. Otu n'ime ụzọ nke a si dị ire bụ site n'aha ndị agbụrụ na-enye ụmụ ha nke ndị odee agụmagụ na-ewebatakwa n'edemede ha. Asụsụ na aha na-agakọrịta ọnụ n'ihi na ọ bụ asụsụ ka e ji ezipụta aha; aha n'akụkụ nke ya bụ otu ụzọ e si ezipụta asụsụ. Ọ bụkwa ụdị mmekọrịta a dịkwa n'ebe aha, asụsụ na agụmagụ dị.

Asụsụ na aha bụ ihe dị oke mkpa n'ebe ndị odee agụmagụ nọ. Agụmagụ bụ iji asụsụ n'ụzọ nka wee zipụta ebumnobi odee. Ọ bụ asụsụ na-eme ka agụmagụ nwee ndụ na mpụtara. Asụsụ bụ ụzọ e si ezipụta agụmagụ. Ọ bụkwa otu ahụ ka ọ dị n'ebe aha na agụmagụ dị. Agatucci, n' intanet, kọwara na mmadụ enweghị ike ịgụ maọbụ nyochaa agụmagụ ndị mba Afrịka ghara ịgụ maọbụ nyochaa ọdịnala na omenala ha. Agatucci gara n'ihu ịkọwa na ọ bụ na ha ka ndị odee agụmagụ mba Afrịka si enweta isiokwu, ihe ndị ha hụtara dịka usoro ebimndụ kwesịrị nṅomi, usoro nhazi edemede ha, n'ala emereme edemede ha, ebe ha na-agbado ụkwụ na ndanusoro, na nka maka enyokwu na mbụrụ ha ji egosipụta nkamma ha[8].

## Ntọsasị na Nchịkọta Ihe Ụfọdụ A Chọpụtara

Akoma webatara naani aha anọ abụghị aha ndị Igbo; abụọ n'ime ha bụ aha sitere n'asụsụ Kalabari: Gogo na Tanka, ebe abụọ sitere n'asụsụ Bekee-Agnes na James[9]. Aha niile Ofomata webatara n'agụmagụ ya bụchasị aha Igbo; ọ webataghị aha sitere n'asụsụ ndị ọzọ ma ncha, n'agụmagụ ya[10]. Nke a gosiri n'odee nwere ike isite naanị n'asụsụ Igbo họrọ aha niile ọ ga-enye agwa dị n'edemede ya. Adichie [11] webatara ọtụtụ aha Bekee, tinyekwara ụfọdụ aha ndị ọzọ sitere n'asụsụ Yoruba, Awụsa, Opobo na Kalaba. Ebe Ike [12], n'akụkụ nke ya webatakwara ọtụtụ aha sitere n'asụsụ Bekee.

E detughi aha niile ndị odee ndị e ji akwụkwọ agụmagụ ha mee nchọcha n'ime ọrụnchọcha a n'ihi na ohere e nyere maka edemede a agaghị ezu ịnabata ha.

## Aha: Nkwalite Na Nkwudosike N'ọganihu Omenala Na Asụsụ Igbo

Ọtụtụ n'ime aha ndị sitere n'akwụkwọ ọgụgụ ndị e ji wee mee nchọcha a na-arụ ọrụ dịka ụgbọ na-ebupụta omenala na nkwenye ndị Igbo; n'ụzọ dị otu ahụ ha na-enyekwa aka eme ka omenala na nkwenye ndị Igbo gbaa elu nke ukwu. A ga-elebazị anya n'ụfọdụ aha ndị a.

## Aha Na-Egosipụta Aha Ahịa

Ndi Igbo nwere ụzọ ahịa anọ ha na-azụ. Ha bụ ndị a: Eke, Orie, Afọ, Nkwọ. Ụfọdụ aha ndi Igbo na-egosipụta aha ahịa ndị ahụ. N'otu aka ahụkwa, ụfọdụ aha ndị odee e webatara akwụkwọ agụmagụ ha na ọrụ nchọcha a webatara aha ahịa dịka ndị a:

**Nwafọ** - Nwoke a mụrụ n'ụbọchị Afọ.

**Mgbafọ** - Nwaanyị a mụrụ n'ụbọchị Afọ

**Mgbọkwọ**- Nwaanyị a mụrụ n'ụbọchị Nkwọ

N'aka nke ọzọ, aha dịka 'Mgbafọ Okoli' na 'Mgbafọ Mgbọkwọ!' enweghị agwa nwe ha, kama odee ji ha gosi iti mkpu dịka Ike si wee gosipụta ya: "Mama Obu wee tie Mgbafọ Okoli!".[13] Nke a bụ mkpu pụrụ Mama Obu n'ọnụ oge Mazi Laza gwara ya na Obu ga-aga ịgba odibo na nke Onyenkuzi ụka Zacheus Kanu. Mama Oti tikwara 'Mgbafọ Mgbọkwọ'[14]. Nke a pụtara na ndị Igbo nwekwara ike iji aha mmadụ, aha ihe, aha chi ha maọbụ aha ahịa ha wee gosipụta iti mkpu na ndụ ndị Igbo.

## Aha Na-Egosipụta Nkwenye Ndị Igbo N'ebe Ọnwụ Dị

Ọnwụ bụ ihe gbara mmadụ gharị. Ndị Igbo hụtara ọnwụ dịka ihe na-ebute mmwute, arịrị, iru uju, anyammiri dgz. Ndị Igbo na-egosipụta mgbagwojuanya ha na otu ha si wee hụta ọnwụ site n'ụdị aha dị iche iche ha na-enye ụmụ ha. Nke a pụtara ihe n'ụfọdụ aha ndị odee nyere agwa dị agụmagụ ndị e jiri mee nchọcha a.

**Ọnwụbụarịr**ị (Ofomata, 1996) - Ndi Igbo kwenyere na ọnwụ na-ebute arịrị. Ọ bụ Ọnwụbụarịrị bụ nwoke chukwudoro **Ọnwụha**, ma were mma ya tụkwasa ya n'azụ. Aha ya pụtara na ọnwụ na-ebute arịrị ọ bụ ya mere o ji wee gbaa mbọ gbue **Ọnwụha**, onye butere ndị Alaukwu arịrị site n'igbu dike ha ji eje mba bụ **Ọhahụrụ**. na ọnwụ … Aha a bụ aha arịrịọ ka ọnwụ haa (hapụ) mmadu aka.

**Ọnwụha** (Ofomata, 1996) - Ọnwụ hapụba igbu. Ekpere ka ọnwụ kwụsị ịkpa ike ya maọbụ gbatee aka. Aha a bụ aha arịrịọ ka ọnwụ haa (hapụ) mmadu aka.Ọnwụha bụ otu n’ime ndi dimkpa atọ kpara nkata wee gbue Ọhahụrụ. N’ihi iso tinye aka n’ọnwụ Ọhahụrụ, ọnwụ azaghị ekpere dị n’aha ya; e mechaa ọ bụrụ onye e gburu egbu. Aha ndị ọzọ gbadoroụkwụ n’ọnwụ ha webatara bụ **Ọnwụajụase** na **Ọnwụka** (Ofomata, 1996).

## Aha Na-Egosiputa Etu Ndịigbo Si Ahụta Ndụ

Ndị Igbo kwenyere na ndụ bụ isi; n’ihi na ọ bụ onye dị ndụ, ọchọba ihe ọ ga-eme. Ha kwenyekwara na ndụ ka akụ. N’ihi na a ghara ndụ kpaa akụ; onye iro erie ya. Ụfọdụ aha ndị gosipụtara otu ndị Igbo si ahụta ndụ na aha ndị e ji mee nchọcha gụnyere:

**Kambili** (Adichie, 2006) - Kwe m ka m biri. Ekpere arịrịọ maka ndụ. N’ihi na ndi Igbo kwenyere na ndụ kachasị ihe niile. **Kambili** bụ aha Adichie nyere otu nwa nwaanyị Maazị **Eugene** mụrụ. Ekpere a ereghị n’isi ya maka na ọ bụ onye nwa ya, **Jaja,** mechara were nsị wee nyegbue n’ihi na ọ rụghị ọrụ ya nke ọma n’ebe ezinaụlọ ya nọ.

**Ọsọndụ** (Ofomata, 1996) - Ọsọ ndụ anaghị agwụ ike, n’ihi na ndụ bụ isi. Ọ bụ n’ihi na ọsọ maka ndụ anaghị agwụ ike mere Ọnwụha jiri gbaa ọsọ niile, ọ gbara, wụọ aja niile ọ wụrụ ma mee ihe niile o nwere ike ime iji hụ na egbughi ya.

## Aha Na-Egosipụta Nkwenye Ndị Igbo N’ọfọ

Ndị Igbo kwenyere na ọfọ na-anọchite anya ikike, eziokwu na ikpe nkwụmọtọ. Ọfọ na ogu na-agakọta ọnụ. N’ihi nke a, onye ji ọfọ wee na-eme ihe maọbụ na-ekwu ‘iha’ ga-akwụ n’eziokwu. Ụfọdụ aha ndị na-egosipụta ọnọdụ ọfọ n’akwụkwọ ndị e ji mee nchọcha agụnyere:

**Ejimọfọnna** (Ofomata, 1996) - Mmadụ ịkwụ n’eziokwu, onye aka ya dị ọcha. Ọ pụtakwara na ọ bụ ezi ihe nna onye nwe aha ahụ hanyere ya n’aka ka onye ahụ ji aga. **Ejimọfọnna** bụ aha nna **Ọnụma** (Akoma, 1977), onye **Oriakụ** gobiri ndị gburu ya, n’ihi oke ọchịchọ. Mana n’ihi na ndị

Igbo kwenyere na mmadụ iji ọfọ na ogu gosiri na aka onye ahụ dịọcha; onye di etu ahụ kwesịrị ịnweta ikpe nkwụmọtọ. N'ihi nke a ka **Oriakụ** n'onwe ya ji mechaa bụrụ onye e gburu egbu n'ihi na o jighi ọfọ wee gbue **Ọnụma**; ebe **Ọnụma** n'onwe ya ji ọfọ, n'ihi na ọ dịghị ihe ọjọọ ọbụla o mere Oriakụ.

**Omeife** (Akoma, 1977) - Nke a bụ aha onye nke atọ Oriakụ gobiri igbu **Ọnụma Ejimọfọnna.** Ọ kpara agwa megidere aha ya n'ihi na ndị Igbo kwenyere na mmadụ kwesịrị iji ọfọ n'ihe ọbụla ọ na-eme, site n'ịhụ n'aka ya dị ọcha n'ihe ọbụla ọ na-eme**.** Mkpọru n'isi aha ahụ bu Omeifejide. Mana Omeife ejighi ọfọ n'ihi na o kwetara e goro ya igbu onye na-adịghị ihe o mere ya.

**Akajiọfọ** (Ofomata, 1996) - Onye zuru oke n'ihe niile nke e nwere ike ihafe ọchịchị nke ezinaụlọ, ogbe maọbụ obodo n'aka ya. N'ihi na aka ji ọfọ anaghị asị asị; ọ naghị eri ngo; ọ naghị ezu ohi; ọ naghị ekpuchi ajọ ihe. Nke a bụ aha otutu e nwere ike inye onye ndị mmadụ nwere ntụkwasiobi n'ebe ọ nọ na ọ gaghị etinye aka n'ihe ọjọọ. Ndị Igbo kwenyere na o ji ọfọ ga-ala, ọ naghị atọ n'ụzọ. Ofomata gosipụtara nkwenye ndị Igbo n'ikike ọfọ na ọrụ ya na ndụ ndị Igbo n'iduuazi ya etu a "Akajiọfọ nke mbụ ndị Dagburu - Ha na-ekwukwa na ọfọ ahụ ọ na-eji n'aka mgbe ọ bụla sokwa n'ike o nwere maka ọ dịghị ihe ọ bụla o ji ọfọ ahụ n'aka kwuo anaghị eme. Kama ihe ahụ agaghị eme, o mee mmaji. Ọ bụrụgodu ọnụ ka o ji ọfọ ahụ n'aka were bụọ mmadụ, kama ọnụ ahụ agaghị ere, o ree mmaji".[15]

## Aha Na-Egosipụta Ọnọdụ Nwa Na Ndụ Ndị Igbo

Ndị Igbo hụtara ọmụmụ dịka ihe dị oke mkpa; karịsịa mmasị n'ebe ọmụmụ nwoke dị. Ha hụtakwara nwa dịka otu n'ime akụnaụba ha nwere. Ha e jighi ọmụmụ egwu egwu. Ha na-egosiụta ụdị nkwenye dị etu a site n'aha ha na-enye ụmụ ha. Ụfọdụ aha ndị odee webatara n'agụmagụ ha gosipụtara nke a nke ọma, dịka:

**Obuechina / Obu** (Ike, 2011) - Aha a bụ ekpere ka ezinaụlọ ghara imechi site na-enweghị ọmụmụ nwoke. Nke bụ otu n'ime aha Ike nyere agwa dị n'agụmagụ ya n'ihi na ọ bụ naanị otu nwa nwoke nne na nna ya mụrụ.

**Nwokenagụ** (Ike, 2011) - Nke **a** bụ nkwupụta ọchịchọ obi onye chọrọ ọmụmụ nwoke. Aha na na-egosi na nwa nwoke na-agụsị ezinaụlọ ike. Nke a so n'otu n'ime aha nna Obu nyere ya, n'ihi na a mụrụ ya ka ha mụchara ụmụnwaanyị ise.

**Obuechina, Nwokenagu, Ezenwa, Onyibọ** na **Obianọ** (Ike, 2011) bụchasị aha nne na nna Obu nyere Obu.

**Nwakakụ** (Ike, 2011) - Nwa karịrị akụ. Ya mere ndị Igbo ji ekwu na a ghara ndụ kpaa akụ onye iro erie. Nwakakụ, bụ agwa Ike kọwara na ọ nwere chi ọjọọ site na ịmụta naanị ọgbanje, nke na o nweghị nwa ọbụla.

**Onyibọ** (Ike, 2011) - Onye mere mmadụ onye abụọ, ka onye ahụ ghara ịnọ naanị ya. A na-enyekarị ya nwata nwoke mbụ nwoke na-enweghị nwanne nwoke mụtara. Nke a sokwa n'aha Maazị Laz nyere otu nwa nwoke ọ mụrụ.

**Obianọ** (Ike, 2011) - Obi anọtula m ala. Ndị Igbo kwenyere n'obi na-ekoro nwaanyị amụtabeghị nwa nwoke be di ya n'elu tutu rue oge ọ mụtara nwa nwoke. Nke a sokwa n'aha Maazị Laz nyere otu nwa nwoke ọ mụrụ.

## Aha Na-Egosiputa Agwa Mmadụ

Ndị Igbo na-enyekwa aha iji gosipụta agwa a tụrụanya n'aka mmadụ maọbụ agwa onye ahụ. Aha ndị a nwere ike ị bịa n'ụdị aha otutu/mkpọlị; I ji too maọbụ gosipụta agwa ọma mmadụ maọbụ iji gosipụta maọbụ katọọ agwa ọjọọ.

### Aha Na-Akatọ Agwa ọjọọ/ Aha Mkpọlị

**Ọnụekwucha** (Ike, 2011) **-** Ọnụ anaghị ekwucha ihe niile ọ hụrụ/ ihe ọ na-ahụ. **Deborah Onuekwucha Kanu** bụ aha nwunye onye nkuzi **Zaccheus**, onye Maazị **Laza** kpọnyere nwa ya, **Obu,** ka ha na ya biri. Ike gosipụtara mpụtara aha a n'uju, site n'ụdị nkọwa o nyere agwa nwe ya**:** "N'ezie dịka aha agwa a si dị, **Ọnụekwucha**, ndị Odibo a kpọnyere di ya enweghị nke na-ekwuccha ihe ha hụrụ n'aka ya. N'ihi ụdị mmegbu na ntaramahụhụ ha na-enweta n'aka ya".[16]

### Aha Na-Egosipụta Ezi Agwa

**Nwomiko** (Ike, 2011) - Nwa nwere omiko. Aha a bụ aha Ike nyere nwaanyị, Awa, onye ọkaibe n'ihe gbasara ọgbanje. Ọ bụ n'ihi omiko ya n'ebe ndị ọ na-abụbu ha mụta ụmụ, ụmụ ha anwụnahụ ha n'ihi na ha bụ ọgbanje nọzi mere o ji wee na- etinye aka ịhụ na e mebiri iyi ụwa ndị ọgbanje ahụ ka he wee nwe ike ịdịrị ndị nwe ha ndụ, n'agbanyeghi na ya onwe ya enweghị nwa nke yạ

**Ọmelọra** (Adichie, 2006) - Onye na-emepụrụ ndị mmadụ. Nke a bụ aha otutu ndị ụmụnna Eugene na-etu ya n'ihi otu o si emepụrụ ha ihe, na inye ha ihe oriri n'oge Ekeresimesi; n'agbanyeghirị na o nweghị ka o si lerue nna ya anya; nke pụtara na o zipụtachaghị aha ya nke ọma n'ihi na o sighi n'ụlọ dịrị mma pụtaba ama. Agụ nwanyị sokwa n'aha otutu Ike webatara.

### Aha Na-Egosipụta Otu Mmadụ Dị N'ileanya

**Nmagwu** (sic) (Ike, 2011) - Mma anaghị agwụ agwụ. Nke a gosiri ụdị mma pụrụ iche agwa nwe ya bụ aha mara. Ike kọwara ya dịka nwata nwaanyi dị gịrịgịrị, maa oke mma. "Ihe ọ na enweteghị n'ọgụgụ isi site na-amaghị akwụkwọ ka ọ mechitere anya ya site n'ịbụ ọkaibe n'egwuregwu (sports) na mma akpụkpọ ahụ ya".[17]Ọ bụkwa nkwenye ndị Igbo na mma kachasị mma niile bụ mma obi.

**Ọhahụrụ/ Ọhasoromhụrụ** (Ofomata, 1996) - Ndị ọzọ/ụwa bịa soro m hụrụ ihe pụrụ iche, (n'ihi na nke a karịrị m) Ofomata, n'iduuazị nke ya, kọwara mpụtara aha a otu a "Ịjụkwanụ ase ya n'ihe gbasara mma, ụmụ nwanyị akọwara gị n'ihe kpatara ọchịchọ ahụ a na-achọ ya ji echu ha ụra bụ maka na mma ọ mara na-ese okwu. Ọhahụrụ machara mma, mma gwụ. Ọ bụ ụdịrị mma ahụ ọ mara kpatara nne ya jiri gụọ ya '**Ọhasoromhụrụ**'

**Nwa etogha mpio** (Ofomata, 1996) - Nwata dị oke mkpụmkpụ. Aha mkpọlị e nyere Samule n'ihi etu ọ ha n'ogologo.

## Aha Di Na Nwunye Na-Akpọrịta Onwe Ha

N'usoro ebimndụ ndị Igbo, di na nwunye nwere aha ha na-akpọrịta onwe ha, iji gosi ụdị mmekọrịta dị n'etiti ha maọbụ otu ha dị n'ile anya maọbụ otu ha si wee sie ike.[18]

**Obidiya** (Akoma, 1977) **-** Nwaanyị maara ma bụrụkwa obi di ya. Aha na-egosi nwaanyị di ya nwere ntụkwasị obi n'ebe ọ nọ. Nke a bụ ụdị aha di na-enye nwunye mara obi ya (di ya). Ọ bụ aha Akoma nyere nwunye **Ọnụma Ejimọfọnna.** Dịka aha ya si dị n'ezie, iji gosipụta ụdị ịhụnanya di n'etiti ya na di ya; nke o gosipụtara site n'ụdị mwute ogbugbu e gburu di ya wutere ya. N'ihi nke a, ka o ji gbaa mbọ hụ na onye gburu di ya gara ụzọ di ya gara n'atufughi oge ọbụla. Site n'ọnụ Obidiya a ga-ahụta ụdị ịhụnanya na ezi mmekọrịta dị n'etiti ha abụọ.

Obidiya: "….Agaghị m ezu ike rue mgbe ezi na ụlọ ahụ gburu gị jekwara ụdị ije a ịjere"

Obidiya: Ọnụma di m. Di na-enweghị nkewa. Otu mmụọ ji anyị. Ụbọchị ahụ ị nwụrụ ka m nwụkwara….[19]

**Ugodiya** (Akoma, 1977) **-** Ugo di ji egoli. Nwaanyị di ya ji anya isi, nke na-erube isi ma bụrụkwa ezi onye enyemaka di ya. Ugodiya bụ aha nwunye Ọhahụrụ, onye e gbufuru egbufu, tinyekwa **Ugadiya.**

## Aha Ndị Na-Egosipụta Nkwenye Ndịigbo Na Aha Onye Na-Edu Ya

**Oriakụ** (Akoma, 1977) - Aha ndị Igbo na-akpọ nwaanyị a na-alụ alụ, karịsịa onye di ya nwere ihe ma gharakwa ịchọ ka ọ taa ahụhụ. 'Oriakụ Dike' bụ aha agwa gobiri Ogbuu, Omeife na Diọgụ ka ha gbue **Ọnụma Ejimọfọnna. Oriakụ Dike**' kpara agwa dika aha ya bụ 'Oriakụ' si dị site n'ịchọ irikọta akụ ma nke ya na nke onye ọzọ. Ọ bụ agwa dị etu a kpaliri ya igobi ndi gburu **Ọnụma Ejimọfọnna** ka o wee kpakọrọ ala ya. O mere nke a iji gosi na ya bụ dike dịka aha ya bụ **Dike** (n'ịnaghara mmadụ ihe n'ike) si dị. Kọwaa na ka ndị Igbo si ele ndụ anya, onye kwesịrị ịza 'dike' bụ onye na-emere obodo ezi ihe; ọ bụghị omekeome dịka agwa a.

**Nwokeakaibeya** - Nwoke anaghị akarị ibe ya. Ndị Igbo kwenyere na agbọghọbia tochaa ọ chere ibe ya. Dịka Ofomata si wee kọwaa,

> Nwokeakaibeya gwara ndibe ha… 'ma ọ bụkwa otu dimkpa ka ha niile na-asọ adanyecha n'ọkụ, ka o nwere ihe ọzọ, na ọ bụ ihe ihere na out onye siere ha o kweghị ha nricha.'
> Ozigbo Nwokeakaibeya gwachara ndị be ha ihe a, o were iwe gbara ọsọ kwobaga n'ọba ahụ. Ka ọ na-etibata, nwoke a bụ Ọnwụha were obejiri ahụ mewe ya ihe ahụ mma na-eme osisi kwụchiri ụzọ. Nwokeakaibeya tachite obi ya maka mma ahụ ọ na-egbu ya, were ike dimkpa ya tinye isi buru Ọnwụha tie n'ala…"[20].

**Ọ-hụ-ọ-kaa/ Ọhụọkaa** - Onye na-ekwuputa ihe ọbụla anya ya hụrụ. Ọhụọkaa bụ aha otutu Nzeka. Dịka aha otutu ya siri di, ọ bụ ya hụrụ ma gbakwaa ama maka ndi gburu Ọhahụrụ. "Ozigbo o bilitere ka o kwuo okwu, ha bido tuwe ya aha a na-etu ya, Ọ-hụ-ọ-kaa! Ọhụọkaa!! Ọhụọkaa!!! N'ihi na ha mara ya dị ka mmanya, ọ naghị ezo ahịhịa. Ihe ọjọọ ọ bụla ọ hụrụ ma ọ bụ nụ na ntị na e mere, o kwuo ya ka ndị mmadụ mara maka ya".[21].

**Ogbuu** (Ofomata, 1996) - Ajọ mmadụ. Onye na-egbu mmadụ maọbụ anụmanụ ndị ọzọ. Aha a bụ aha Akoma, n'ejije ya, nyere otu n'ime agwa ndị Oriakụ gobiri ha wee gbue **Ọnụma Ejimọfọnna.** Ọ kpara agwa dịka aha ya si dị site n'isonye na ndị gburu **Ọnụma Ejimọfọnna.**

**Ọnụma -** Ọnụma pụtara iwe. Agwa bụ Ọnụma Ejimọfọnna bụ aha onye Oriakụ gobiri ndi ogbuu ka ha wee kugbuo ya n'ihi anyaukwu. Akoma ji aha a wee gosipụta ụdị iwe ogbugbu e gburu Ọnụma, kpalitere n'ime Obidiya bụ nwunye ya. Oge ọbụla a kpọrọ Ọnụma, ọ na-echetara ọgụụ ụdị ọnwụ ọ nwụrụ. Obidiya mara ọsụ wee kwue sị, "Ọnụma ekeela m obi".[22]Otu ahụ ka ọ dịkwa n'ebe Akoma webtara ntọọchị n'agụmagụ ahụ, oge Tanka, onyeara, na Obidiya na-akparita ụka. Ọ sịrị: "Ọnụma ekeela gị obi"[23]. Okwu a bụ **'Ọnụma'** na-akpalite mmụọ ọgụ nye ụzọ ihe abụọ- Ọnụma dịka ọnọdụ ime mmụọ na Ọnụma dịka agwa. E nweziri ike sị na e wepụ Ọnụma ịrụ ọrụ dịka njirihụbaama (symbolism), ọ bụ Ọnụma kpara ihe Obidiya ji wee jee ọbọọ ọnwụ di ya nke butere ọnwụ mmadụ anọ- Oriakụ na ụmụ ya atọ. Oriaku chere na ọ bụrụ na o gbue Ọnụma n'iwe na ọnụma ga-ala/ebi. Site n'ọnụ Ụmụ Nnadi, ọ gaghị etu ahụ n'ihi na "Ha gburu Ọnụma, Obidiya erie ọnụma, gbọtọrọ n'efu".[24]

## Aha Ndi Na-Egosipụta Ọnọdụ A Nọ Wee Mụọ Nwa

Ụfọdụ aha ndị Igbo bụ iji gosipụta ọnọdụ a nọ n'ime ya n'ọmụmụ nwa.

**Nwọhụrụanụ -** Nwata hụrụ anụ wee pụta ụwa. Nke bụ aha Ike nyere agwa a mụrụ n'ụbọchị mmemme, Ekeresimesi. Ike (2011) kwuru na "… nna ya (**Nwọhụrụanụ)** bara ya **Nwọhụrụanụpụta**, nwata pụtara n'ihi na ọ hụrụ anụ".[25] N'ihi n'ụbọchị mmemme dị iche a bụ ụbọchị ihe ntanta na erimeri dịgasị icheiche ji ejupụta ebe niile.

**Obiageli** - Nwata bịara iri eri. Nwata nwaanyị a mụnyere n'ezinaụlọ ebe ihe dị; ezinaụlọ nwere akụ. Mkpọru n'isi aha a bụ **Obiageliakụ.** Aha a bụ aha nna Obu chere na ọ gaara aka mma ịbụ aha e nyere Obu maọbụrụ na ọ bụ nwaanyị, n'ihi akparamagwa ya dịka a ga-asị na ọ na-egosi na ọ

bịara ụwa naanị inwe aṅụrị. Tinyekwara ọnọdụ nne ya hụtara ya dịka ọgbanje. N'ihi na dịka nna Obu siri wee kwue, na ndị ọgbanje na-ahọrọ ka a mụọ ha n'ezinaụlọ ga-enye ha ohere ibi ndụ aṅụrị.[26]

Ntọsasị aha ndị a e ji wee mee nchọcha gosiri na ndị odee agụmagụ ndi e jiri wee kwara ngwaọrụ na nchọcha a webatara aha ga-enye aka nke ukwu ịkwalite omenala ndị Igbo, mekwaa ka ha kwụgidesie ike ma na-agawanyekwa n'ihu. Ụfọdụ n'ime odee agụmagụ ndi a gbalịsiri ike nye mpụtara aha ụfọdụ kpọmkwem, ebe ụfọdụ odee ndị ọzọ sitere n'akparamagwa ha gosi mpụtara maọbụ nghọta aha ndị ha webatara. Ọ mụmaatụ, Ike [27] Ike gbara mbọ nye nkọwaa na mpụtara aha ụmụ Maazị Laaz niile tinyekwara ụfọdụ aha ndị ọzọ, nke na ma onye abụghị onye Igbo gụrụ akwụkwọ ahụ ga-amata mpụtara ha. Nke a bụ ihe dị mma, kwesịkwa nṅomi; n'ihi n'oge ndị mmadụ na-agụ edemede ndị ahụ, ha ga esite n'ime ha mata mpụtara aha ụfọdụ, ebe ndị ọzọ, ọ kachasị ndị enweghị nghọta maka asụsụ Igbo nweziri ike ịjụ ajụjụ maka aha ndị ahụ. Iji wee maa atụ, otu onye ọrụ nchọcha kọwapụtara ụdị mmasị na oṅụ ndi biara ọgbakọ e nwere na mba Amerika n'afọ 2018, dika o si metụta ọgbụgba afọ iri isii akwụkwọ ọgụgụ Chinua Achebe bụ *Things Fall Apart* oge ọ na-eme mkpọpụta na nkọwa banyere aha ndị dị na *Things Fall Apart*. Ha mere ka ọ mata na o telaa aka ha ji achọ ịmata ka esi akpọpụta aha ndi ahụ nke ọma. Ọ kọwakwara ka ndi ahụ si riọ ya ka ọ gbalisie ike mekwue nchọcha banyere mpụtara aha ndị ahụ dị n'ime ya. Ụzọ dị etu a ga–enye aka na mgbasa asụsụ na omenala ndị Igbo.

Ndị odee ndị a gbalịkwara iwebata olundị ha, iji gosi na Igbo nwegasịrị olundị di icheiche. Ọmụmaatụ bụ Adichie onye, n'iduazị ya, dere **Omeife**[28],kama **Omeihe**, **Chinyelu**[29], kama **Chinyere** ndị bụ Igbo izugbe n'otu n'otu.

N'aka nke ọzọ, ụfọdụ ndị odee nyere aha Bekee maọbụ aha sitere n'asụsụ na agbụrụ ndị ọzọ. Ụfọdụ ndị gbaliri webata aha Igbo, oge ụfọdụ debiri ha edebiri nke na mpụtara na nghọta dị

n'aha ndi ahụ agbaghịzị elu. Ike, n'ọtụtụ ebe, debiiri 'Obuechina' dịka 'Obu'. Ọ bụrụ na a bịakwa n' Ofomata, a ga ahụkwa ụdị ọnọdụ dị etu a n'ebe aha bụ Ọhasoromhụrụ dị nke Ike debiiri dịka 'Ọhahụrụ'. Etu ahụ ka ọ dịkwa n'ebe Omeifejideọfọ nke ọ deebiiri dịka 'Omeife', tinyekwara 'Nwaọbiaranamma' na 'Mmagwụagwụ' ndị nke ọ debiiri dịka 'Nwaọbiara' na 'Nma' n'otu n'otu. Mana ha gbalịsirikwara ike inwe ebe ha deruru aha ndị ahụ n'ozuzuoke; nke a nyere aka wee mee ka nghọta na mpụtara ha zue oke.

Iwebata aha Bekee; aha ndị sitere n'agbụrụ ndị ọzọ; aha enweghị mpụtara ebe e nwere aha ndị ga- anochitenwu anya ha n'asụsụ Igbo, maọbụkwanụ idebiri aha nke na mpụtara ha agaghị agbazị elu na-ebute nnukwu amamakanihu nye nkw ụgidesike, nkwalite, ntolite na mmụba asụsụ na omenala Igbo.

Adichie gosipụtara mgbarụihu ya n'agwa ndi Igbo na-akpaso asụsụ ha site n'ịnwe mmasị n'ebe aha agbụrụ ndị ọzọ dị karịa nke ha oge Amaka, otu nwa nwaanyị Ifeoma mụrụ, jụrụ iwere aha Bekee tupu ọ bụrụ onye e bikwasara aka n'isi n'ụlọụka ha.[30] N'otu aka ahụkwa Obiora jụrụ Jaja, ihe aha Jaja ọ na-aza pụtara: "Aja pụtara *sand* maọbụ *oracle*, mana Jaja? kedụzị ụdị aha ọ bụ? Ọ bụghị aha Igbo"[31]. Mana ezigbo aha ya bụ Chukwuka. Nke a gosiri na Obiora tụrụ anya na Jaja ga-enwe aha Igbo ebe ọ bụ onye Igbo. Ajụjụ Obiora jụrụ Jaja bụ iji kwadosi ike uru aha bara na nkwalite na nkwụdosike asụsụ ndi Igbo. N'ihi na oge ọbụla mmadụ nụrụ aha dara ya ụdị dị aṅaa na ntị, ọ na- agbalịsi ike ịchọ ịmata usoro mkpọpụta ya na mpụtara ya, dịka Obiora mere.

## Nchịkọta

Na nchịọkọta, mba ọbụla n'ụwa nwere ihe ndị e ji amata ha, mere ha ka pụọ iche na mba maọbụ agbụrụ ndị ọzọ. Ụfọdụ n'ihe ndị ahụ gụnyere: asụsụ, ekike, ekpemekpe, nri, nkwenye na aha ha na-aza. Ọ bụrụ na a chọọ ihe ndị a ma ahụghịzị ha ị mara na mba dị etu ahụ maọbụ agbụrụ ahụ nọzị ọdị ndụ ọnwụ ka mma. Ọ bụ nke a kptara o ji dị nnukwu mkpa ịgbalisi ike ịhụ n'ihe ndị

a e ji mara mba kwudosiri ike. Otu n'ime ụzọ a ga-esi mee nke a n'asụsụ Igbo bụ site n'ịkpachapụ anya n'ụdị aha a na-enye ụmụaka, nke na- agbakwa elu n'ụdị aha ndị odee na-enye agwa dị n'akụkọ agụmagụ ha. Ndị odee kwesịrị ilezi anya ma kpachapụkwa anya oge ha na-emepụta aha ga-adị n'agụmagụ ha. N'ime nke a, ha kwesịrị ịgbambọ webata aha ndị nwere ezigbo mpụtara dịka o si wee metụta omenala, nkwenye na usoro ebimndụ ndị Igbo. Ụdị akparamagwa dị otua ga-enyeaka nke ukwuu na nkwalite na nkwudosike asụsụ na omenala Igbo. Aha na agụmagụ so n'ụzọ omenala na asụsụ si amụba ma na-akwudosikwa ike. N'ihi na asụsụ laa, omenala alaa; omenala laa asụsụ alaa. Ha abụọ na-akwado onwe ha.

## Edensibịa

[1]Albert Doja, "Rituals of Naming and Exposure: Meaning and Signification in a Name," *Onoma: Journal of International Council of Onomastic Sciences*, Vol. 41. (2006): 327-270.

[2]Ruth Finnegan, *Oral Literature in Africa*. World Oral Literature Series Vol.1. Cambridge: Open Book Publishers, 2012.

[3]Ebo Ubahakwe, *Igbo Names: Their Structure and Their Meanings*. Daystar Press, 1981.

[4]Afam Ebeogu, Igbo Proper Names in Nigerin Literature Written In English. *International Folklore Review*. No. 7 (1990): 48-23.

[5]R. C. Okafor, L. N. Emeka & T. A. Inyiama *Igbo Personal and Title Names*. Enugu: New Generation Books, 2008.

[6]Monday Chibudo Onukawa, "Gịnị bụ aha Gị: Topical Isues on Personal Naming in the Igbo Society." *Inaugural Lecture of Abia State University*, 24th August, 2016.

[7]Afam Ebeogu, "Female Onomastics and the Tradition of Igbo Women Aliases." A Paper Presented at the 6th Conference of the Nigeria Oral Literature Association, 13th- 16th, November, (2019): 1-21.

[8]Cora Agatucci in http://ue.cocc.edu/cagatucci/afrstory/htlm (nd). (Accessed on 08/10/12).

[9]Enyinna Akoma, *Obidiya*. Lagos: Oxford University Press, 1977.

[10]Chinedum E. Ofomata, *Ihe Onye Metara*. Enugu: Format Publishers (NIG) LTD, 1996.

[11]Chimamanda Ngozi Adichie, *Purple Hibiscus*. Lagos: Farafina, 2006.

[12]Ike Chukwuemeka, *The Potter's Wheel*. Ibadan: University Press, 2011.

[13]Ike *The Potter's Wheel*, 72

[14]Ike *The Potter's Wheel*, 43.

[15]Ofomata, *Ihe Onye Metara*.

[16]Ike, *The Potter's Wheel*, 76.

[17]Ike, *The Potter's Wheel*, 210.

[18]Adaora Lois Anyachebelu, Patterns of Igbo Spousal Names. *Ihafa: A Journal of African Studies*, Vol. 7 no. 1 (2015): 215-227.

[19]Akoma, *Obidiya*, 28, 64.

[20]Ofomata *Ihe Onye Metara*, 72.

[21]Ofomata, *Ihe Onye Metara*, 22.

[22]Akoma, *Obidiya*, 35.

[23]Akoma, *Obidiya*, 66.

[24]Akoma, *Obidiya*, 63.

[25]Ike, *The Potter's Wheel*, 26.

[26]Ike, *The Potter's Wheel*, 65.

[27]Ike *The Potter's Wheel*, 1-2.

[28]Adichie, *Purple Hibiscus*.

[29]Adichie, *Purple Hibiscus*, 74.

---

[30]Adichie, *Purple Hibiscus*, 275.

[31]Adichie, *Purple Hibiscus*, 151-152.

[31]Albert Doja, "Rituals of Naming and Exposure: Meaning and Signification in a Name," *Onoma: Journal of International Council of Onomastic Sciences*, Vol. 41. (2006): 327-270.

[31]Ruth Finnegan, *Oral Literature in Africa*. World Oral Literature Series Vol.1. Cambridge: Open Book Publishers, 2012.

[31]Ebo Ubahakwe, *Igbo Names: Their Structure and Their Meanings*. Daystar Press, 1981.

[31]Afam Ebeogu, Igbo Proper Names in Nigerin Literature Written In English. *International Folklore Review*. No. 7 (1990): 48-23.

[31]R. C. Okafor, L. N. Emeka & T. A. Inyiama *Igbo Personal and Title Names*. Enugu: New Generation Books, 2008.

[31]Monday Chibudo Onukawa, "Gịnị bụ aha Gị: Topical Isues on Personal Naming in the Igbo Society." *Inaugural Lecture of Abia State University*, 24th August, 2016.

[31]Afam Ebeogu, "Female Onomastics and the Tradition of Igbo Women Aliases." A Paper Presented at the 6th Conference of the Nigeria Oral Literature Association, 13th- 16th, November, (2019): 1-21.

[31]Cora Agatucci in http://ue.cocc.edu/cagatucci/afrstory/htlm (nd). (Accessed on 08/10/12).

[31]Enyinna Akoma, *Obidiya*. Lagos: Oxford University Press, 1977.

[31]Chinedum E. Ofomata, *Ihe Onye Metara*. Enugu: Format Publishers (NIG) LTD, 1996.

[31]Chimamanda Ngozi Adichie, *Purple Hibiscus*. Lagos: Farafina, 2006.

[31]Ike Chukwuemeka, *The Potter's Wheel*. Ibadan: University Press, 2011.

[31]Ike *The Potter's Wheel*, 72

[31]Ike *The Potter's Wheel*, 43.

[31]Adichie, *Purple Hibiscus*.

[31]Ofomata, *Ihe Onye Metara*.

[31]Ike, *The Potter's Wheel*, 72, 94.

[31]Ike, *The Potter's Wheel*, 76.

[31]Ike, *The Potter's Wheel*, 210.

[31]Ofomata, *Ihe Onye Metara*, 3

[31]Adaora Lois Anyachebelu, Patterns of Igbo Spousal Names. *Ihafa: A Journal of African Studies*, Vol. 7 no. 1 (2015): 215-227.

[31]Akoma, *Obidiya*, 28, 64.

[31]Ofomata, *Ihe Onye Metara*, 75.

[31]Ike, *The Potter's Wheel*, 30.

[31]Ofomata *Ihe Onye Metara*, 72.

[31]Ofomata, *Ihe Onye Metara*, 22.

[31]Akoma, *Obidiya*, 35.

[31]Akoma, *Obidiya*, 66.

[31]Akoma, *Obidiya*, 63.

[31]Ike, *The Potter's Wheel*, 231.

[31]Ike, *The Potter's Wheel*, 26.

[31]Ike, *The Potter's Wheel*, 65.

[31]Ike *The Potter's Wheel*, 1-2.

[31]Adichie, *Purple Hibiscus*.

[31]Adichie, *Purple Hibiscus*, 74.

[31]Adichie, *Purple Hibiscus*, 275.

[31]Adichie, *Purple Hibiscus*, 151-152.

**Akwụkwọ Nnrụtụaka**

Anyachebelu, A. L., Patterns of Igbo Spousal Names. *Ihafa: A Journal of African Studies*, Vol. 7 (1), 2015: 215-227.

Adichie, Chimamanda Ngozi, *Purple Hibiscus*. Lagos: Farafina, 2006.

Agatucci, Cora in http://ue.cocc.edu/cagatucci/afrstory/htlm (nd). (Accessed on 08/10/12).

Akoma, Enyinna, *Obidiya*. Lagos: Oxford University Press, 1977.

Ebeogu, Afam, Igbo Proper Names in Nigerin Literature Written In English. *International Folklore Review*. No. 7 (1990): 48-23.

……………….... "Female Onomastics and the Tradition of Igbo Women Aliases." A Paper Presented at the 6th Conference of the Nigeria Oral Literature Association, (2019): 1-21.

Doja, Albert, "Rituals of Naming and Exposure: Meaning and Signification in a Name," *Onoma: Journal of International Council of Onomastic Sciences*, Vol. 41. (2006): 327-270.

Finnegan, Ruth, *Oral Literature in Africa*. World Oral Literature Series Vol.1. Cambridge: Open Book Publishers, 2012.

Ike, Chukwuemeka, *The Potter's Wheel*. Ibadan: University Press, 2011.

Ofomata, Chinedum E., *Ihe Onye Metara*. Enugu: Format Publishers (NIG) LTD, 1996.

Okafor, R. C., Emeka, L. N. & T. A. Inyiama, *Igbo Personal and Title Names*. Enugu: New Generation Books, 2008.

Onukawa, Monday Chibudo,"Gịnị bụ aha Gị: Topical Isues on Personal Naming in the Igbo Society."*Inaugural Lecture of Abia State University*, 24th August, 2016.

Ubahakwe, Ebo, *Igbo Names: Their Structure and Their Meanings*. Daystar Press, 1981.